Ákụ́ọ̀yíbó Nsugbe Journal of the School of Languages (ANJOSOL)
Vol 1 No. 1, 2025: 38-45
https://ojs.universityedu.org/index.php/anjosol/index
*The official biannual Journal of the School of Languages, Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe*

# Akụkọ ifo dịka mkpanaka e ji akụzi ezigbo omume: mgbakwasị ụkwụ n'akụkọ ifo mbe na ezi na nwa agwọ na nwa awọ

**[1]Okechukwu S. Obiechina, [2]Abuchi Innocent Okoye**
[1]Department of Linguistic/Igbo Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University, Igbariam, Anambra State Nigeria, obiechinaokechukwu01@gmail.com
[2]Department of Linguistic/Igbo Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University, Igbariam, Anambra State Nigeria okoyeinnocentabuchi405@gmail.com

Corresponding Author: obiechinaokechukwu01@gmail.com

A R T I C L E I N F O

**Keywords:** *Akụkọ ifo, mkpanaka, nkụzi, ezigbo omume, akụkọ ifo, mbe.*

©2025 Author(s): This is an open-access article distributed under the terms of the Creative Commons Attribution 4.0 International

**Ụmịedemede**

*Akụkọ ifo jupụtara n'amamihe pụrụ iche nke na-abawanye akọnuche ma bụrụkwa mkpanaka e ji akụzi eziomume n'ụwa.Ọ bara uru, ọkachasi n'ụlọakwụkwọ ntakara na prima makana ụmụaka na-esite na ya amụta ọtụtụ ihe nke ga-enyere ha aka ịkpa agwa ziri ezi. Ma taa,a na-eleghara ya anya,ọ bụ ya kpalitere nchọcha a. Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta ka akụkọ ifo ndị a họpụtara siri bụrụ mkpanaka e ji akụzi eziomume n'ụwa taa. Ndị nchọcha gbasoro usoro nchọcha kenkọwa wee mee nchọcha a.Ihe e ji mee nchọcha a bụ akụkọ ifo abụọ. Akụkọ ifo mbe na ezi na nwa agwọ na nwa awọ. N'akụkọ ifo mbe na ezi a chọpụtara, ajọ omume ịgbaziri ego ma jụ ịkwụghachi ya jupụtara n'ụwa taa. N'akụkọ ifo nwa agwọ na nwa awọ a chọpụtara na ụwa a dịbu mma na mbido mana ọ bụ ụmụ ụwa jiri obi ọjọọ were mebie ya. N'ikpeazụ, nwanchọcha tụnyere alo ka e lebaa anya n'ọmụmụ akụkọ ifo Igbo n'ihi na ọtụtụ ihe mmụta na ezi ndụmọdụ nke na-arụtụgasị aka n'ihe na-eme n'ụwa taa jupụtara na ya..*

## Ndubanye

Agụmagụ bụ ụzọ pụrụ iche e si e ji asụsụ kpa nka. Ọ bụ ihe e ji eṅomi ndụ nke na-elebanye anya na ndụ mmadụ na-ebi n'elu ụwa ma gbaa n'anwụ omume dị icheiche mmadụ nwere ike ịkpa n'elu ụwa. Ọ bụ n'ihi ọnọdụ agụmagụ nwere na ndụ ndị Igbo mere agbụrụ ọbụla ji ejidesi nke ha aka ike. Nzebunachi (2007) kọwara agụmagụ dịka echiche mmadụ chepụtara n'obi ya wee dee ya edee maọbụ kwupụta ya n'ọnụ nke na-enye amamihe, mkpalite nke mmụọ, obi ụtọ maọbụ obi ọjọọ nakwa afọ ojuju. Agụmagụ gụnyere ụzọ dị icheiche ndị mmadụ si ezipụta ihe na-eme na ndụ ha dịka ihe mmegbu, ọgaranya, ekworo, ogbenye, arịrị, aṅụrị dgz.

Nwadike (1992) hụtara agụmagụ dịka ọrụ nka nke sitere n'echiche pụta ma bụrụ nke e si na ya egosipụta ma na-ahụ ndụ. Agụmagụ na-agbakwasị ụkwụ na ndụ, usoro ebimndụ na nsirihụụwa ọha obodo maọbụ agbụrụ. Agụmagụ malitere mgbe ndụ ndị Igbo malitere. Ndị Igbo nwere agụmagụ dịgasị icheiche banyere ụwa anyị nọ n'ime ya. Agụmagụ ndị a bụ nke na-elebanye anya na mmalite ndụ, ọnọdụ ụwa nakwa ọdịdị obodo.

Ekwealor (2011) kọwara agụmagụ dịka echiche mmadụ ji ekere uche ya chepụta, hazie ma were asụsụnka kwupụta, kọpụta, gụpụta, mepụta maọbụ depụta. Agụmagụ na-ezipụta etu agbụrụ dị icheiche si ahụta ọnọdụ ụwa na ihe dị icheiche na-emegasị na ndụ. N'aka nke Obidiebube (2011), ọ kọwara agụmagụ dịka nzimozi maọbụ echiche mmadụ chepụtara site n'ichemi echiche ime site n'ihe ọ maara maọbụ kwupụta ya n'ụdị ejije, akụkọ maọbụ iduuazị, na abụ iji zipụta ihe dị icheiche gbasatara ndụ na ụwa mmadụ nọ n'ime ya. Agụmagụ metụtara etu anyị si eche echiche ma nke ọma ma nke ọjọọ, ha niile bụgbado ihe agụmagụ na-arụtụ aka na ndụ ndị. E kewara agụmagụ ngalaba abụọ, ha gụnyere: agụmagụ ọdịnaala na agụmagụ ugbu a. E kewara agụmagụ ọnụ ụzọ abụọ nke gụnyere: agụmagụ ọnụ ọdịnaala na agụmagụ ọnụ ugbu a. Nkenụụdị agụmagụ ọnụ ndị a gbasakwara aka wee kerie onwe ha ụzọ atọ gbara ọkpụrụkpụ nke gụnyer: abụ, ejije na akụkọ. N'otu aka ahụ agụmagụ ederede dịkwa ụzọ atọ nke gụnyere abụ, iduuazị na ejije.

Ọ bụrụ na anyị e lee anya n'echiche ndị a niile, anyị ga-achọpụta na ha niile gbadoro ụkwụ n'ihe na-eme na ndụ mmadụ. Ihe nke a pụtara bụ na a gaghị ewepụ agụmagụ na ndụ mmadụ n'ihi na ihe niile anyị na-eme n'ụwa a metụtara agụmagụ. Agụmagụ bara ọtụtụ uru n'omụmụ asụsụ Igbo tụmadụ na ndụ ndị Igbo.

**Nkọwa isiokwu**

**Akụkọ ifo**

Akụkọifo so n'otu n'ime ngalaba agụmagụ ọnụ e nwere n'asụsụ Igbo. Ọ bụ otu n'ime ụdịrị akụkọ ndị Igbo nwere. Akụkọ ifo bụ akụkọ ihe na-eme n'ụwa nke e ji akụziri mmadụ ihe. Mgbe gboo, mgbe ndị ọcha na-ewetebeghị agụmakwụkwọ, ọ bụ site n'akụkọ ifo ka e si akụzi ihe gbasara omenaala, ọdịnaala, ọdịbendị na ihe ndị ọzọ gbasara ndị Igbo. Ọ bụ ya ka onye na-akọ ya jị akọpụtara ya ndị na-ege ya ntị. Nwadike (1992) kọwara na akụkọ ifo bụ mbido agụmagụ ọdịnaala. Ọ kọwara akụkọ ifo dịka akụkọ na-emeghị eme nke e ji ezipụta agwa na akparamagwa ụmụ mmadụ. E ji akụkọ ifo ezipụta eziokwu enweghị ike iji akụkọ nkịtị ezipụta. Okoh (2011) kọwara na akụkọ ifo bụ akụkọ ndị ahụ mere n'ala mmadụ, ala mmụọ na n'ala anụmanụ. N'akụkọ ifo, mmụọ, mmadụ na anụmanụ na-emekọrịta. Ọ bụ akụkọ ifo ka e ji ezipụta ụdị ụwa atọ e nwere. Ekwealor (2012) kwuru na ọ bụ akụkọ ifo ka e ji amalitere ụmụaka agụmagụ. Ọ gakwara n'ihu kwuo na akụkọ ifo na-enye aka nke ukwu n'ịgbazi akparamagwa ụmụaka. E nwere akụkọ ifo na-akụzi ihe dị icheiche dịka ịdị uchu, irube isi, ikwu eziokwu, inye okenye nsọpụrụ, ịgbara ihe ọjọọ ọsọ, idebe iwu obodo, ịsọ anya. Ọ bụ akụkọ ifo ka e ji azụlite ụmụaka n'inwe mmụta n'ihe ụwa, dị icheiche. Ogbalu (2018) kọwara akụkọ ifo dịka ihe e chepụtara echepụta nke sitere n'ụwa nrọ maọbụ n'ụwa echereche nke e sitekwara n'otu ọgbọ nyefee n'ọgbọ ọzọ na-esote. N'oge gboo ndị Igbo nwere ọtụtụ akụkọ ifo dịgasị icheiche banyere ụwa anyị nọ na ya. Akụkọ ifo ndị ahụ bụ nwa tolite o tokwuru. Ọ na-esite n'aka nna nna fere n'aka nna wee ruo n'aka nwa. Obiechina (1993) na-akọwa na akụkọ ifo bụ akụkọ dịwagara iche nke a na-akọ iji kpaa ọchị, nwee obi aṅụrị ma kuzie ihe. Akụkọ ifo na-akụziri ọha obodo ụzọ ha ga-agbaso wee bie ezi ndụ. Onwudufor (2019) kwuru na akụkọ ifo bara uru nke ukwuu n'ala Igbo. Ọ bụ ya bụ mahadum nke ndị mgbe ochie mgbe nwa bekee abịabeghị. O kwuru na a na-akọ ya n'egwuọnwa nakwa n'ezinaụlọ.

Akụkọ ifo bụ akụkọ e ji akụziri ụmụaka ihe gbasara akparamagwa ndị bara uru na ndị na-aghọ ahịa. Ka ha mara na o nwere ihe ndị nwere ike ịba uru n'ụtụtụ ma weta ọghọmahịa na mgbede. Akụkọ ifo abụghị naanị maka ụmụaka. E jikwa akụkọ ifo eme ka ndị mmadụ chịa ọchị maọbụ chemie echiche ime. Ụfọdụ n'ime ha na-adọ aka na ntị maka imegbu mmadụ, inwe ajọ ọyị, inwe obi ọjọọ, ime mpụ na inwe anyaukwu, ime iberibe dgz.

**Etu esi akọ akụkọ ifo**

Akụkọ ifo na-enwe mmalite, ogwe, mmechi na ihe mmụta. O nwere usoro e si ebido ya,otu e siakọkwana ka e si emechi ya.Onye bụla chọrọ ịkọ akụkọifo ga-agbasoriri usoro a:

***Mbido Akụkọ Ifo**:Akụkọ ifo dika otu n'ime ngalaba agụmagụ ọdịnaala nwere usoro esi amalite ya. Ụfọdụ n'ime ụzọ esi ebido akụkọ ifo gụnyere:

a) Chakpịị -wọọ! Nkịta nyara akpa - nsị agwụ n'ọhịa.
b) O nwere akụkọ m ga-akọrọ unu-kọọrọ anyị ka obi dị anyị mma.
ch) O ruru otu mgbe-otu mgbe wee ruo.

***Ahụ / Ogwe Akụkọ Ifo:** N'ebea ka a ga-akọpụta akụkọ ifo n'uju ya. Mgbe a na-akọpụta akụkọ ifo a ga-agba mbọ hụ na ewebataghị ihe ọgbaraọhụrụ dịka ụgbọala, ụlọọgwu,ụlọakwụkwọ, okporo ụzọ awara awara, onyonyo dgz. nkea ga-abụ ngwara ngwara maka na ihe ndia adịghị n'oge gboo. Ha so nwa bekee na mmụta sitere n'agụmakwụkwọ wee bịa.

Ihendịkwesirịịbatan'akụkọifobụọzara,ịkpa,agụasaa,mmiriasaa,ugwu,ndimmụọ,mmadụ,mbe,ọsa, agụ,enyi, ọsisi,ọpi,oja,dgz

*** Mmechi Akụkọ Ifo:** Nkea bụ iweta akụkọ ifo na njedebe. Mmechi akụkọ ifo na-esitekarị n'ụdị akụkọ ifo a kọrọ maọbụ n'ihe mmụta dị na ya bụ akụkọ ifo.Ụfọdụ ụzọ e si emechi akụkọ ịfo bụ ndịa;

a) Ya mere mmadụ jiri nwee nkewa n'azụ.
b) Ọ bụ otu a ka ọnwụ siri bata n'ụwa.
c) Ihe mmụta dị n'akụkọ ifo a bụ na nwata isa ụsa adịghị mma.
d) ifo dee dee - akụkọ m agwụla.
e) Ifo chakpii - wọọ!

Akụkọ ifo ọbụla ga-enwerịrị ịhe mmụta / ihe nkuzi nke na-abịa ma akọcha akụkọ ifo.

**Ihe ndị na-ebute ndaghachi azụ akụkọ ifo**

Ọtụtụ ihe bụ nke na-ebute ndaghachi azụ akụkọ ifo n'obodo. A hụtara akụkọ ifo dịka otu n'ime ụzọ kacha mma esi akụziri nwata mkpụrụokwu nakwa ikwu okwu. Ogunremi (2011) kwuru na akụkọ ifo abụghịrị naanị ụmụaka ihe ọhụrụ n'oge ugbu a kama ma ndị okenye. E nwere ọtụtụ ndị nne na nna ndị na-agaghị akọnwuru ụmụ ha akụkọ ifo. Base (1998) chọpụtara na mmepe obodo so n'otuihe na-echere akụkọ ifo akamgbe n'oge ọgharaọhụrụ a. Ihe ndị ọzọ na-echere akụkọ ifo akamgba gụnyere:

***Agụmakwụkwọ na okpukperechi ndị bekee**: Agụmakwụkwọ na okpukperechi ndị bekee mere ka ọtụtụ ndị ọkachasị ndị Igbo chezọọ omenaala ha. Nke a bụ maka na ọtụtụ n'ime ha bụ ndị na-enweghịzị efe n'ihi mmere mmere okpukperechi na agụmakwụkwọ. Ha anaghịzị etinye uchu n'uru akụkọ ifo bara.

*** Enweghị mmasị:** Ọ bụ ọrụ dịịrị ndị okenye ịkọrọ ụmụaka akụkọ ifo. Mana n'oge ugbu a, ọtụtụ ndị okenye enweghịzị efe ime nke a. Ha anaghịzịkwa enwe mmasị ịkọrọ ụmụaka ha akụkọ ifo.

***Agụmakwụkwọ n'obodo mepere emepe:** Ọtụtụ ezigbo ụlọakwụkwọ bụ nke a na-arụ n'obodo mepere emepe. Nke a na-eme ka ụmụaka si n'ime obodo pụọ bụ ebe a na-akọ akụkọ ifo. Onye ọbụla chọzịrị ịgụ akwụkwọ n'obodo mepere emepe, ebe ọtụtụ ihe dị icheiche na-eme.

*** Teknụzụ:** Ọtụtụ ihe egwuregwu, igwe onyoonyoo, redio, ejije na ọwa nzikọrịta ozi nke ịntaneetị ewerela ọnọdụ akụkọ ifo. Ọtụtụ ndị nne na nna na ụmụaka na-etinyezị oge ha n'ilele ejije igwe onyoonyoo nakwa ịntaneetị. Nke a wee na-ebute ọdịda ezi akparamagwa n'etiti ụmụaka.

*** Enweghị ọtụtụ akwụkwọ akụkọ ifo:** Enweghị ọtụtụ akwụkwọ akụkọ ifo ederede.Ndị odee a naghị ebipụtakarị akwụkwọakụkọ ifo. Ọtụtụ ọbaakwụkwọ anyị enweghịkwa akwụkwọ akụkọ ifo. N'ihi ya, aka ụmụaka anaghị eru n'akwụkwọ akụkọ ifo.

*** Ọnwụ:**Ihe ọbụla a na-enyefeghị n'aka agbụrụ ọzọ ga-ekpochapụ ma nwụọ. Ọ bụrụ na agbụrụ ọgbaraọhụrụ anaghị etinye oge na mmasị n'akụkọ ifo, ọ ga-asachapụ obere oge.Ọtụtụ ndị okenye ndị na-akọpụta akụkọ ifo ndị a na-ebulazị akwụkwọ. Ọ bụrụ na ha nwụọ amamihe na nghọta ha efuo. Nke a na-ebute ọtụtụ ọgbaaghara n'etiti ụmụaka n'oge a.

**Mkpaọdịiwebataakụkọifonakorikulumndịprima**

lwebataakụkọifonakorikulumndịprimadiezigbomkpan'ihina;

*****Ọga-ewebataịkpaọchịn'ọgbọọmụmụihe,mekwakaụmụakana-echetaiheakụzirihankeọma(Frisch&Saunders,2009).lwebataakụkọifonakorikolumndịprimaga-

emekahaghọtaọbụladịisiokwundịahụna-esiburuhaikeịghọta,mamekwaakamaakịụmụakwụkwọna-enwetana-adịelu.

*Akụkọifobụụzọndịnnannaanyịhasiakụziriụmụakahaihe.Ana-ejiyaakụziriụmụakaeziagwanaomumeọma.Iwebataakụkọifonakorikolumndịprimaga-enyeakazụpụtaụmụakan'usoroobibindụn'ọhaọbọdọ.Emenanjo(1977)kwurunaajụkọifobaraezigbouru n'obibindụnaijikubanyeụkpụrụọhaobodon'imeụmụakana-etoliteetolite.

*Ana-ejiakụkọifoakụziasụsụnkeabụọ($L_2$).lwebataakụkọifonakorikolumụmụakaga-ewulitenkaasụsụdịkankaọnụnụ,nkaodide,ụbaramkpụrụokwunakwaiwulitemmekọrịtammadụnaibeya. Akụkọifona-emekanaagụedeụmụaka(literacyskills)na-amụbawanye(McGrath,Taylor&kamen,2004).

*Ọga-akpalitemmụọnammasịụmụaka,meekahageentịnkeọma,sonyekwana-agụiheasịrịhagụọ,na-amụbawanyemkpụrụokwuụmụaka,bụkwankena-enyerehaakaịghọtaihehana-agụ.DịkaYusuf(2017)sirikọwaanaịgentịn'akụkọifona-enyereụmụakaakaiwulitenkaọnụnụha,meekahana-egentịnkeọma.Siten'ụzọahụwulitenghọtasiten'ịdịna-egentịn'akụkọifondiahụna-amasịha.

*Ọga-emekaụmụakwụkwọmeenkeọman'edemedeakụkọ.Umụakwụkwọga-esitenayanwetaekereuche,nwekwaikeidepụtaakụkọnkeha.DịkaPinzon(2016)sirikwuosịnaakụkọifobụ ihemgbakwasaụkwụn'iwulitenkaedemedeụmụakwụkwọ.Oga-ewuliteọgụgụaghọtaazaanaedemedeụmụakwụkwọn'asụsụlgbo.

**Nkankuziakụkọifo**

Akụkọ ifo nwere nnukwu ọnọdụ na korikulum ụmụakwụkwọ anyị. Ọ bụ ya ka e ji amalitere ụmụaka agụmagụ. Ọ na-enye aka nke ukwuu n'ịgbazi akparamagwa ụmụaka. E nwere akụkọifo na-akụziihe dị icheiche dịka ịdị uchu, irube isi, ikwu eziokwu, inye okenye nsọpụrụ, ịgbara ihe ọjọọ ọsọ dgz. Iji hụ na nkuzi akụkọ ifo mịtara ezi mkpụrụ, Ekwealor (2012) kọwapụtara usoro a ga-agbaso iji kuzie akụkọ ifo:

*Onyenkuzi ga-adị na mbụ mara akụkọ ifo ọ ga-akọrọ ụmụaka nke ọma. Ọ ga-amakwa ihe mmụta dị n'akụkọ ifo ahụ.
* Onyenkuzi ga-akọ akụkọ ifo ya dịka ọ nọ ebe ihe ọ na-akọ mere.
*Ọ ga-eṅomi agwa ọbụla dị n'akụkọ ahụ iji tinye ndụ n'akụkọ ọ na-akọ.
*Ọ ga-eji kwumkwukwa a haziri nke ọma hụ na ụmụaka na-esonye n'akụkọ ọ na-akọ.
*Ọ ga-ejikwa ajụjụ mfe hụ na ụmụaka na-aghọta ihe ọ na-akọ.
* Na njedebe akụkọ, ọ ga-ewepụta ihe mmụta dị n'akụkọ ọ kọrọ. O nwere ike ime nke a site n'ịjụ ụmụaka ihe ha sitere n'akụkọ ahụ mụta.
*Ọ ga-ajụkwa ụmụaka ajụjụ nnwale iji hụ na ha ghọtara akụkọ ahụ.
* Ọ ga-akpọlite otu nwata ka ọ kọgharịa akụkọ ahụ.
*Mgbe ụfọdụ klaasị ga-emepụtakwa akụkọ ahụ n'ụdị ejije.

**EtuAkụkọ ifo siri bụrụ mpanaka e ji akụzi eziomume**

**Mbe na Ezi**

O ruru otu mgbe ezi na mbe gbara agbataobi. Ezi bụ onye dị ike ọrụ nke ukwuu bụrụ onye ọrụ ubi mana mbe bụ onye umengwụ. Ezi na-eriju afọ oge ọbụla ma na-erekwa ihe ubi oge ọbụla maka inweta ego o ji egbo mkpa ndị ọzọ ji ya. Nke a mere na ọ nọghị n'ụkọ ọbụla. Mbe nọ n'akụkụ na-atajiri ya anya ma na-atụ atụmatụ otu ọ ga-esi nara ya ihe o nwere.

Otu ụbọchị ka mbe gara na be ezi wee rịọ ya ka o binye ya otu ụkpa ji ya ga-akọ ma nyekwa ya ihe oriri ndị ọzọ tinyere ego. O kwere ya nkwa na ya ga-akwụghachi ya n'afọ ọzọ ma ya wekọọ

ihe ubi nke ya. Ezi jiri obi anụrị nye ya ihe ndị ọ rịọrọ ya na-atụfughị oge n'ihi na obi tọrọ ya ụtọ ịnụ na mbe amalitela ịgba mbọ. Mana mbe buuru ihe niile ahụ laa ma rie ha na-akọghị ihe ọbụla n'ala. Ka afọ ruru ezi gara ka mbe kwụọ ya ụgwọ mana mbe malitere ime ezi akaje.

N'ụbọchị mbụ ezi bịara ọ gwara ezi na ọgọ ya nwụrụ n'ihi ya na ya enweghị ike ịkwụ ụgwọ ahụ. Ezi meere ya ebere wee laa. Ka ọnwa olemaole gachara, ezi laghachiri maka ego ya. Ka mbe hụrụ ya ka ọ na-abịa, o buuru ude akụ na mmanụ dị iche iche tee nwa ya n'ahụ ma gwa ezi na ahụ adịghị nwa ya. Ezi meere ay ebere ma laghachi n'ụlọ ya. Ka nke a mechara, ezi kpebiri na ụbọchị ọbụla ya bịaraabụọ ga-eme ihe ma ọ bụrụ na obe enyeghị ya ego ya. Ngwangwa mbe hụrụ ezi ka ọ na-abịa, ọ gwara nwa ya ka ọ tụgharịa ya ma malite ịkwọ ya ihe n'afọ ya. Ka ezi bịaruru nso, ọ jụrụ nwa mbe ebe nna ya gara. Ọ gwara ya na nna ya anọghị n'ụlọ tinyere na ya amaghị ebe ọ gabaraaa. Nwa mbe jụrụ ajụ ịza ezi ajụụbụla n'ihi na ọ gwara ezi na ọ bụghị ya ji ụgwọ tinyere na ya ga-akwọcha ọka niile nne ya gwara ya ka ya kwọọ. N'ihi nke a, na ya achọghị onye ga-enye ya nsogbu n'ụzọ ọbụla. Nke a mere iwe ji wee ezi nke ukwuu. O wee jiri ọnụma buru okwute ahụ nwa mbe ji akwọ ihe si n'elu aja tufuo ya n'ime ọhịa.

Ezi mere nke a n'amaghị na ọ bụ mbe ka o tufuru. Mbe jirịị ọnụ kulie n'ọhịa ebe ọ dara jiri nwayọọ rịpụta n'okpokoro ya jiri nwayọọ chọba ụzọ ụla. O teghị aka mbe batara n'ụlọ ya were kelle ezi maka ịbịa be ya. Ezi atụpụghị ya ọnụ maka na iwe ji ya. Mbe gwara ya ka ọ hapụ iwe iwe n'ihi na ya ga-akwụ ya ụgwọ ahụ ugbu a. Ọ gwara nwa ya ka ọ gaa bute okwute ahụ o ji akwọ ihe n'ihi na ya fanyere ego ya ga-akwụ ezi n'akụkụ ya. Mgbe ahụ ka nwa ya jiri gwa ya na ezi atụguola okwute ahụ oge iwe na-ewe ya. Mbe gwara ezi ka ọ gaa bute okwute ahụ n'ihi na ọ bụ ego ya dị n'ime okwute ahụ. Mgbe ezi nụrụ nke a o jiri obi anụrị gaba ịchọ okwute ahụ n'ihi ọ maara ebe ọ dara.

Ezi jeruru ebe ahụ okwute a dara mana ọ hụghị ihe ọbụla. Ka ọ chọchara ya n'elu ala ọ malitere were imi ya buliwe okwute ọbụla ọ hụrụ n'ebe ahụ mana ọ hụghị ihe ọbụla. Ka ọ na-ata ahụhụ ahụ, mbe na nwa ya si n'oghere aja ekiri ezi wee na-achị ya ọchị. Ma rukwaa taa, ezi ka na-achọ okwute ahụ n'amaghị na ọ bụ mbe ahụ o tufuru ka ya na ya na-ekwurịta.

**Ka akụkọ ifo a siri bụrụ mkpanaka e ji akụzi eziomume:**

Ibite ego na-akwụghachighịya azụ. Mbe gosipụtara ndị na-ebiri mmadụ ego n'ụwa taa na akwụghachighị ya azụ. Na mbụ, ha ga-eji ire ọma na ọnụ ụtọ wee bịa wetuchaa onwe ha ala. Nke a ga-eme ka onye ha na-arịọ ka o binye ha ego binye ha. Ndị ọ nọ nkịtị enwe efe na-ebikarị ego ma mgbe o ruru n'ịkwụghachi ya, ha mara ihe gbaa isi akwara. Ha na-akpọkwa ndị binyere ha ego ọtụtụ ajọ aha dị icheiche ma kwuo sị na ha na-akparị ya. Nke a gosipụtara onwe ya nkeọma n'ihe a ndị Igbo kwuru sị na ọ bụghị ọnụ e jiri biri akụ ka eji akwụ ya.

Ọtụtụ ndị mmadụ na-agbazinata ego n'ụlọ akụ ma jụ ịkwụghachi ya. Ndị mmadụ na-ekwe ọtụtụ nkwa were ndụ ha ṅụkwuo iyi na onweghị ihe ga-eme ka ha ghara ịkwụghachi ụgwọ ahụ. Ma okwukwu abụghị omume. Ụda akịilu na ntị abụghịkwa ụtọ ya n'ọnụ. Site n'akụkọ ifo na-egosipụtara na ndị mmadụ na-ebiri ego na jụ ịkwụghachi ya azụ. Akụkọ ifo a bụ mpanaka e ji akụzi eziomume maka na ọ na-akụziri anyị ka anyị ghara ibinye ndị ngana ego maka na ha enweghị ụzọ ọbụla ha ga-eji kwughachi ya azụ, tinyekwara na anyị ga-akpachapụ anya n'ụdị ndị anyị na-ebinye ego maka na ụfọdụ ha bụ ndị kpebigoro na ha agaghị  akwụghachi ego ahụ ọzọ.

Ọzọ bụ  ngana na ị nọ nkiti. Onye ngana na onye na-anọ nkịtị na-abụkarị ngwaọrụ ekwensu. Ekwensu na-eji ha akwara ngwaọrụ. Mbe enweghị oge ịrụ ọrụ mana o nwere oge ịkpa nkata ka ọ ga-esi napụ ndị agbataobi ya ego. Mbe a kọghị mkpụrụ akụkụ ndị ọ gbazitere. O riri ji niile ahụ ọ natara ka ọ kọnye n'ala. Kedụzị etu ọ ga-esi kọpụta nri. Akwụkwọ nsọ 2Thesalonians3:10 kwuru na onye na-arụghị agaghịkwa eri. Aka aja aja bụ ya na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ. Nri adịghịkwa maka onye ngana.

Ọzọ dị ka ịbe ya bụ iwe ọkụ na-ebute ọtụtụ nsogbu. Ezi gozipụtara ndị iwe ọkụ n'ụwa anyị nọ. Ọtụtụ ihe na-efunahụ onye iwe ọkụ ọ ma tinyekwuo onwe ya na nsogbu. Onye iwe ọkụ anaghị

enwe ike ijikọlata onwe ya nke ga-eme ka o mebie, ọtụtụ ihe dị mkpa mgbe o mechara owutewe ya. Mmebi na-adị mfe mana ndozi na-esi ike.

N'ụwa taa, ọtụtụ ndị mmadụ na-ebiri ego ma jụ ịkwụghachi ya. Ha na-eche na ha maara ihe nke ukwuu maọbụ na ha wara anya. Ha na-akpọkwa ndị na-ebinye ha ego ndị iberibe. N'eziokwu, ekwesịghị ka a na-ebinye ndị ngana/ndị na-anọ nkịtị ego makana ha enweghị ụzọ ha ga-esi kwụghachi ya. Akụkọ ifo bụ mpanaka e ji akụzi eziomume maka na ọ na-akụziri anyị mkpa ọ dị mmadụ ịkwụghachi ihe ọ natara mmadụ maka na o bite ọ kwụọ na-ebite oge ọzọ.

**Nwa Agwọ na Nwa Awọ**

Ọ bụ ezie na ezi nghọta adịghị n'obodo, nwa agwọ na nwa awọ na-aga otu ebe na-egwukọ egwu ọnụ na-enweghị onye ọbụla maara nke a. Otu ụbọchị ka nwa agwọ lọtara wee kọọrọ nne ya otu ya na nwa awọ siri were gwuo egwu nke ụbọchị ahụ. O mere nke a n'ihi na ha abụọ kpebiri na onye ọbụla ga-akọọrọ nne ya ma ọ laa. Ha jiri uche ụmụaka wee mee nke a n'ihi na ha chọọrọ ezi nkwado n'aka nne na nna ha.

Mgbe nwa agwọ gwachara nne ya ebe o jere na otu ya na nwa awọ siri nwekọọ anụrị, nne ya gbarụrụ ihu. Ọ tara nwa ya ụta n'ihi enweghị uche ya na adịghị gara gara. O chetaara nwa ya na o bụ ndị ezinụlọ ahụ ka ha  na-eri mgbe ọbụla agụụ gụbara ha. Ọ gwara ya na onye ọbụla riri ha na agụụ anaghị agụ ya n'oge. Ọ gwakwara ya na ha anaghị ara ahụ inwude n'ihi na ha amaghị agba ọsọ ma kọkwaara ya otu anụ ha si atọ ụtọ.

N'otu aka ahụ, mgbe nwa awọ ruru ụlọ kọọrọ nne nke ya ebe ọ gara, ọ natara oke ịdọ aka na ntị nakwa ịma ikpe. Nne ya gwara ya na ọ kpara ebe ihe n'efu nakwa ebe ndụ ya kaara igunahụ ya. Ọ gwara nwa ya na ezinụlọ ọ ahụ adịghị na mma bido n'oge nna nna ha. O chetaara ya na ọ bụ ha mere na ọnụ ọgụ ha adịghị ọtụtụ n'ihi na ha na-eri ha oge ọbụla.

Ka o ruru ụbọchị ha ji aga egwuregwu ahụ, nwa agwọ gara ebe ahụ n'oge mana nwa awọ abịaghị. O chechara ya laa na mwute. Ha abụọ mechaara zute n'ebe ha gara ichute mmiri. Mgbe nwa awọ hụtara nwa agwọ ahụ ka ọ nọ na mmiri, ọjụrụ irutezị nso. Mgbe nwa agwọ chọrọ ịmata ihe mere o jizi agbara ya ọzọ, ọ gwara ya na ndụmọdụ ahụ gị dụrụ gị na nne nke m dụkwara nke m. Bido oge ahụ wee rukwee taa, ọ dịghị mgbe ọbụla ha abụọ mekọrọ ihe ọzọ n'ihi na onye ọbụla n'ime ha ekeela nkwụcha dị egwu gbasara ibe ya.

**Ka akụkọ ifo a si bụrụ mpanaka e ji akụzi eziomume:**

Ụwa a dịbu mma na mbido mana ọ bụ ụmụ ụwa jiri obi ọjọọ were mebie ya. N'oge mbụ, mmadụ hụrụ mmadụ ibe ya n'anya, ha na-emekọrịta na-erikọrịta mana ugbu a n'ihi obio ọjọọ mmadụ na-egbuzị ibe ya, tọọrọ ya nsị maọbụ gbaa izu imegide ya maọbụkwanụ boya ebubo. Obi ọjọọ na-achịzị ụwa. Agwọ nọchitere anya ndị ajọ mmadụ n'ụwa, ndị na-anaghị enwe obi ebere. Nwa awọ gosipụtara ndị aka ha dị ọcha. O nweghị ajọ echiche nwa awọ bu n'uche tupu ya na nwa agwọ egwurịtawa egwuregwu. O nweghịkwa ihe na-eme onye aka ya dị ọcha. Ajọ mmadụ kpachaa nkata, Chukwu emebisịa ya maka na chi onye adịghị n'izu onweghị ihe na-eme ya. Akụkọ ifo bụ mpanaka eji akụzi eziomume maka na ọ na-akụziri anyị na onye gị na ya na-emekọ ihe nwebe obi ọjọọ i kwesịrị ka ị gbaara ya ọsọ.

Ọzọ wee bụruụfọdụ oge, ọ bụ ndị okenye na-etinye ajọ akparamagwa na echiche ọjọọ n'ime ụmụ ha. Ụwa anyị nọ n'ime ya na-abawanye n'ihe ọjọọ n'echi n'echi n'ihi na ndị okenye kwesịrị ikuziri ụmụaka ezigbo omume na-akparamagwa bụzị ndị na-ebizi ajọ ndụ. Agwọ arụghị ọrụ ya dịka okenye, onye mgbazi na nne. O gosighị nwa ya ezi ụzọ nke o ji akụziri ya ezi omume kama ọ kụnyere mkpụrụ ọjọọ n'ime nwa ya. Nke a bụkwa ihe anyị na-ahụta n'ụwa taa. Ọtụtụ ndị nne na nna jizị aka ha akụziri ụmụaka ọtụtụ ihe ọjọọ dị icheiche dịka a dịghị agba mbọ, izu ohi, ịkọ nsị dgz. Ụfọdụ n'ime ha bụzị ndị nke na-eduga ụmụ ha ebe ha ga-amụ ka esi atụ ọtụ nke a na-akpọ yahoo yahoo. Nke a butere na ihe ọjọọ na-arị ibe ya elu kwa ụbọchị. Akụkọ ifo a na-akụziri anyị ka ndị bụ nne na nna ghara ịkụnye mkpụrụ ọjọọ n'ime ụmụ ha maka na ọrụ ọjọọ ọbụla nwere ụgwọ.

Ọzọkwa bụ ịge ntị na ndụmọdụ.Nrubeisi bụ mmadụ ime ihe a gwara ya mee. Nwa awọ gere ntị ma rube isi n'ihe nne ya gwara ya oge ọ kọchaara ya ka ya na nwa agwọ siri gwuo egwu nke ụbọchị ahụ. Ọtụtụ ndị mmadụ n'ụwa taa na-adaba na nnukwu nsogbu n'ihi egeghị ntị maọbụ jụ ịnabata ndụmọdụ enyere ha. Onye ọbụla na-ege ntị na-enwe mmeri na ndụ. N'akwụkwọ nsọ Genesisi 22, Chineke nwalere Abraham site n'inye ya ntụziaka, Abraham rubereisi nke wetere ya nso n'ebe Chukwu nọ. Akụkọ ifo a na-akụziri anyị na anyị kwesịrị ị dị na-akọtara mmadụ ibe anyị ihe anyị bu n'obi dịka nwa awọ siri kọrọ nne ya.Ọ na-akụzikwara anyị na anyị ga na-ege ntị mgbe ọbụla e nyere anyị ndụmọdụ. Ụmụaka kwesịrị ịdị na-ege nne na nna ha ntị maka na ndụmọdụ ọbụla nwerịrị ihe kpatara e ji dụọ ya. Onye bu mmadụ ụzọ siwe ite na aka ya enwe mkpọ mkpọ arịa.

Nke ọzọ wee bụrụ n'akụkọ ifoa a gwara anyị na agwọ na ụmụ ya bụ awọ na ụmụ ya ka ha na-eri mgbe ọbụla agụụ gụbara ha. Nke a gosipụtara akpọmasị maka na onye mmadụ na-achọ ọnwụ ya maọbụ ọdịda ya bụ onye ọ kpọrọ asị. N'ụwa taa ọtụtụ ndị mmadụ na-akpọ ibe ha asị na-enweghị ihe ọbụla ha mere ha. Nke a na-ebutere ụfọdụ mmadụ inwere ibe ha obi ọjọọ na ntaji anya ma na-aṅụrịkwa oge ihe ọjọọ dakwasịrị mmadụ ibe ha. Akụkọ ifo a na-akụziri anyị na onye ọbụla kwesịrị ịkpachapụ anya mara onye bụ onye iro ya maka na ọ bụghị mmadụ niile ka ndụ ị dị na-atọ ụtọ. Onye ya na ekwensu na-erikọ nri na-eji ogologo ngaji.

**Uru akụkọ ifo abụọ ndia bara**

Ọtụtụ uru ka esi n'akụkọ ifo abụọ ndịa wee rite. Nke mbụ bụ na akụkọ ifo abụọ ndia bụ ịgba n'ihe mmụta tụmadụ n'izipụta ezi agwa dịka ịgbazịnata ihe ma kwughachi ya azụ maka na ebite a kwụọ na-ebite oge ọzọ,ịdị uchu n'ọrụ maka na nri adịghịrị onye ngana, ịdị na-ejikọlata onwe anyị ọnụ makana iwe ọkụ na-emebi ọtụtụ ịhe, ịkpachapụ anya n'ihe ọbụla anyị na-eme n'elu ụwa nakwa ndị anyị na ha na-emekọ ihe tinyere ịge ntị na ndụmọdụ ọbụla enyere anyị.

Nke ọzọ bụ na akụkọ ifo ndịa ga-eme ka onye ọbụla bụ nwa a mụrụ n'ala Igbo nye aka kwalite agụmagụ lgbo. Ọga-eme ka ụmụaka ugbua na ndị na-etolite etolite nwee mmasị 'akụkọ ifọ ma site n'ime ya mụta ọtụtụ ihe mmụtajupụtara na ya.

N'ikpeazụ, akụkọ ifo abụọ a bara uru maka na ọnyereanyị amamihe di egwu nke mere ka anyị kwụrụ chịm na nke onwe anyị, gbanwee ajọ agwa anyị ma malite ịkpa ezi agwa dịka inwe nsọpụrụ,inwe ezi uche, inyere mmadụ aka na ịgba mbọ.

**Alo**

Site na nchọcha a ndị nchọcha chọpụtarana uru akụkọ ifo baran'igbazindụ ndị mmadụ dị ka aja dị n'ala. Ndị nchọcha na-atụnyezị alo ka ndị lgbo jisie akụkọ ifo ike maka ịgbazi ndụ na eziomume ha. Tinye mkpụrụọma ndịa akụkọ ifo na-akụnye n'ime ha n'ọrụ maka otitona agamnihu nke obodo na ndị nọ n'ime ya. Ndị nne na nna na ndị okenye ga na-akọrọ ụmụaka akụkọ ifo oge ọbụla. Nkea ga-eme ka akụkọ ifo na-agawanye n'ihu ghara ịnwụ. Ndị na-ahazi korikulum ga-agbambọ tinye akụkọ ifo na ngalaba ọgụgụ na edemede nke kọrikolum asụsụ lgbo n'ogo agụmakwụkwọ praịmarị.N'ikpeazụ,ụlọakwụkwọ dị icheiche ga-etinye asompi nke ga-agbado ụkwụ n' ịkọrịta akụkọ ifo n'etiti ụmụakwụkwọ na ibe ha. Nkea ga-akwalite ezigbo akparamagwa na ndụ ụmụaka ma bawanye mmasị ha n'akụkọ ifo.

**Nchịkọta na Mmechi**

Akụkọ ifo na-agbakwasị ụkwụ n'ihe na-eme n'ụwa tụmadị nke na-akọwa echiche dị omimi maọbụ eziuche iji gosipụta ihe mere eme maọbụ ihe a na-ele anya ga-eme eme n'ụwa anyị nọ n'ime ya.

N'akụkọ ifo ndị a e nyochara, a hụrụ otu akụkọ ifo si wee bụrụ mpanaka eji akụzi eziomume. Akụkọ ifo mbe na ezi rụtụrụ aka maka ndị na-ebiri ego ma jụ ịkwụghachi ya nakwa nsogbu iwe ọkụ na-eweta.

Ọzọ dịka ibe ya bụrụ, akụkọ ifo a bụ nwa agwọ na nwa awọ na-akọwa maka ụwa Chineke kere wee chọọ yamma ka mmadụ ghara inwe nsogbu ọbụla mana ndị mmadụ jizi obi ọjọọ na-emesozị mmadụ ibe ha tinyekwara ndị okenye arụrụ ala na-akụnye mkpụrụ ọjọọ n'ime ụmụaka.

Ndịnchọcha jizi ohere a na-arịọ ọhanaeze ka ha nwee mmasị n'ebe ime nchọcha n'akụkọ ifo dị, ka o wee nye aka ịkwalite asụsụ Igbo nkeọma. Akụkọ ifo na-enye obi aṅụrị na amamihe pụrụ iche. Mgbe ọbụla a na-akọ ya, a na-echemi echiche ime gbasara ihe akụkọ ahụ na-ekwu. A sịrị na onye tọọ ntị n'ala ọ nụrụ ihe ahụhụ na-ekwu. Ọ bụrụ na ndị mmadụ malite tinyewe uche n'akụkọ ifo, ọ ga-enye aka belata nsogbu a bụ a gụọ na aghọtaghị na oke ihe ọjọọ jupụtara n'ụwa taa.

N'ikpeazụ, akụkọ ifo dịka mpanaka eji akụzi eziomume egosila n'ezie na akụkọ ifo `nwere otu maọbụ ihe nkuzi abụọ ọ na-arụtụrụ anyị aka n'ime ndụ a. Ọ bụ ihe ndị a gosiri na akụkọ ifo nwere ihe nkuzi na ihe kpatara ya ma nwekwaa ihe ndị ọ na-egosipụta ka ndị mmadụ nwee ike tụgharịa pụọ n'ajọ omume ha ma gbasoo ezi akparamagwa.

**Edemsibịa**

Ekwealor, C. C. (2009). *Agụmagụ ederede Igbo n'ozuzu oke*. Enugu: Paschal Communication.

Emenanjo,E.N.(1977.ed.)Omalinze:AbookofIgboFolktales.OxfordUniversitypress.

Frisch,J.K.,&Saunders,G.(2009).UsingStoriesinanIntroductoryCollegeBiologyCourse,JournalofBiologicalEducation42(4)164–169.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala agụmagụ*. Nigeria: Ifunanya Publishers.

Nwadike, I. U. (2001). *Eke na egwurugwu*. Ibadan: Heinemann.

Obidiebube, J. I., Anidobe, C. J. & Ekwealor C. C. (eds.). *Amụmamụ Ozuruọha Igbo 2*. Onitsha: Hormer & Mammer.

Ofomata, C. E. (2004). *Nkuzi Igbo n'ụzọ dị mfe.* Oyo: Austin Modest.

Ogbalu, U. J. (2015). *Nduba n'agụmagụ ọnụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz and Manilas.

Onwudufor, F. O. (2015). *Mbe agaba.* Anambra: Rex Charles & Patrick Limited.

Pinzon,M.X.R.(2016).Storytellingandstoryreading:AwaytoenhanceEFLstudents'literaciesunpublishedM.A.Thesis.Bogota-Columbia.

TalkTalkGroup(2012).NewSurveyrevealsFearsthattraditionofreadingbedtimestoriesisdying.RetrievedNov.2019.Fromwww.talktalk.co.uk.

Yusuf,H.O.(2016).ImpactofTeacher'suseoffolktalesontheperformanceofpupilsinreadingcomprehensioninprimaryschools,inKadunaState,NigeriaRetrievedhttp//:www.oapub.org/edu.